**TTB IGBO**

**ỤGBỌ NKE NDỤ (UNN) – 0125**

**Ọpụpụ 17**

*Miri sọpụtara site na nkume etiri ihe; Agha megide Amalek*

Ụmụ Izrael arapụworị Ijipt wee malite ijeghari n'ọzara. Ha nọ na njem ha ijeru ugwu Saịna. Ha enweworị ụzọ nnwapụta asaa dịka ha na-aga bụ ndi bụ onyoghonyogho nke ndụ nke onye-nke-Kraịst.Cheta nke ọma na, *"... ihe ndia nēmeri ndi ahu n'uzọ ihe-atù; ewe de ha n'akwukwọ nsọ ka ha we buru ihe idu ayi ọdú, ndi ọgwugwu oge ndia ruteworo"(2 Kọr.10:11).* Ọ ga-adị nma ma ndi nke Kraịst nile gụa ma rubekwa isi nye ihe ọmụmụ ndi a nile. Enyere anyị ihe mmụta ndi a dịka ihe esere-ese ma ihe ha kụziri doro anya nke ọma.

## *MIRI SỤPỤTARA SITE NA NKUME ETIRI IHE*

Ka ha na-aga njem n'ọzara, akpịrị malitere ịkpọ ụmụ Izrael nkụ bụ nke mere ka ha malite ịtamu ntamụ.

Lee Ọpụpụ 17:1-7:

***"1 Nzukọ nile nke umu Israel we si n'ọzara Sin bulie ije, na nbuli-ije nile ha, n'okwu-ọnu Jehova, ha we ma ulo-ikwū-ha na Refidim: ma ọ dighi miri ndi Israel gāṅu. 2 Ndi Israel we so Moses se okwu, si, Nyenu ayi miri ka ayi ṅua. Moses we si ha, Gini mere unu som nēse okwu? gini mere unu nānwa Jehova? 3 Akpiri miri we kpọ ndi Israel nku n'ebe ahu; ndi ahu we tamu ntamu megide Moses, si, ọ̀ bu kwa n'ihi gini ka i meworo ka ayi si n'Ijipt rigota, iwere akpiri-ikpọ-nku me ka ayi na umu-ayi na anu-ulo-ayi, nwua? 4 Moses we tikue Jehova, si, Gini ka m'gēme ndi nka? ọ fọduru ihe ntà ka ha tuḅuem na nkume. 5 Jehova we si Moses, Gabiga n'iru ndim, chiri kwa ufọdu nime ndi-okenye***

***Israel ka ha so gi je; nkpa-n'aka-gi kwa, nke i ji ti osimiri Nail, were ya n'aka-gi, je. 6 Le, M'gaje iguzo n'iru gi n'ebe ahu n'elu oké nkume nime Horeb, i gēti oké nkume ahu ihe, miri gēsi kwa nime ya puta, ka ndim we ṅua. Moses we me otú a n'anya ndi-okenye Israel. 7 O we kpọ aha ebe ahu Masa, na Meriba, n'ihi ise-okwu nke umu Israel, na n'ihi na ha nwara Jehova, si, Jehova, Ọ̀ nọ n'etiti ayi, ma-ọbu na Ọ nọghi?"***

Ụmụ Izrael narị ekpesa nkpesa rue ugbu a.Mgbe nile mkpa ọbụla chere ha n'iru ha na-amalite ntamụ na ịba mba n'iwe. Ma Chineke na-esite n'amara Ya egboro ha mkpa ndi ahụ. Mgbe ihe ọzọ ga-adapụta ha na-ebido akwa na nkpesa na inyopụta ntụpọ dị iche iche. Ọtụtụ Chọch nọ n'ogo nke ime mụo dị otu a ebe ha na-akụrụ na ha bụ ọkasị nma n'ihe nile.

Nkpesa ha mere o ji fọdụ nwa ihe nta ka Mosis nyefee onye ọzọ ije-ozi ya. Ma Chineke rọpụtaara Izrael. "*Jehova we si Moses, Gabiga n'iru ndim, chiri kwa ufọdu nime ndi-okenye Israel ka ha so gi je; nkpa-n'aka-gi kwa, nke i ji ti osimiri Nail, were ya n'aka-gi, je***."** Nke ahụ bụ nkpa-n'aka ahụ enyere Mosis mgbe ọ na-alaghachi n'Ijipt. Ọ bụrị ejiri mara na akara pụrụ iche na-egosi ikike na ịchị-isi nke Mosis nwere. Ọ bụ nkpa-n'aka ahụ ka Mosis ji tie nkume ahụ mee ka miri site na ya sụpụta.

Nke a bụ nke mbụ akọtara banyeere "nkume" na "miri" ahụ sitere na nkume sụpụta. Gịnị ka nke ahụ na-akụzi? Arapụghị ka anyị bido ịtụ ero, ma ọ bụ jiri amam-ihe nke aka anyị chọpụtara onwe anyị nke a. Mọ-Nsọ Chineke ji aka Ya kọwaara anyi nke a na 1 Kọr.10"1-4 bụ ebe ọ na-asị otu a, *"N'ihi na achọghm, umu-nnam, ka unu ghara imara, na nna-ayi-hà nile nọri n'okpuru igwe-oji ahu, ha nile gabiga-kwa-ra oké osimiri ahu; 2 eme-kwa-ra ha nile baptism ibà nime Moses nime igwe-oji ahu na nime oké osimiri ahu; 3 ha nile ri-kwa-ra otù ihe-oriri ahu nke mọ; 4 ha nile ṅu-kwa-ra otù ihe-ọṅuṅu ahu nke mọ: n'ihi na ha nāṅu miri nke*

*si na nkume nke mọ nke soro ha: nkume ahu bu kwa Kraist."* Achịcha nke Izrael riworo bụ Mana, bụrị onyoghonyogho nke Kraịst Onye bụ Achịcha nke ndụ ahụ. Kraịst bụkwa Miri nke Ndụ, ebe nkume ahụ bụkwa onyoghonyogho na-egosi Kraịst. Nke a na-egosi ihe dị iche site n'ekweghị ekwe nke Izrael ebe o metụtara akataka nkume ahụ. Ọ mere ka asị na Izrael ji ihe yiri ngige-udude na nkpa-n'aka eji amị-apịara apịa mee nwee ihe ndabeere. Anwụrụ-ọkụ nke obi-abụa kpuchiri iru Chineke zonarị ha.

Nkume ahụ bụ ihe ngosi esere-ese nke Onye-nwe-anyị Jisọs Kraịst. Abụọma 61:2 na-asị, "*M'nēsi na nsọtu uwa kpọkue Gi, mḇe, obim nādighi ike: Rue n'oké nkume nke kam elu ka I gēdurum je."* Nke ahụ bụ Kraịst. Onye-ọbụ-abụọma kwukwara ọzọ sị, "*Ha we cheta na Chineke bu oké nkume-ha, Cheta kwa na Chineke Nke kachasi ihe nile elu bu Onye-nḇaputa-ha"(Abụọma 78:35).* Ọzọkwa Pita gwara anyị**,"** *N'ihi na ekwuru n'ihe edeworo n'akwukwọ nsọ, si, Le, anamatọḇọ na Zaion otù isi nkume nime nkuku ntọ-ala, nke bu ihe arọputara, buru kwa ihe anāsọpuru: Onye kwe-kwa-ra na Ya, agaghi-eme ka ihere me ya ma-ọli. 7 Ya mere ọ bu unu, bú ndi kwere ekwe, ka nsọpuru ahu diri: ma n'ebe ndi nādighi-ekwe nọ, Nkume nke ndi nēwu ulo juru, Nke ahu ka emere isi nkuku ulo; 8 na, Nkume isu-ngọngọ, na oké nkume nke ima-n'ọnyà; n'ihi na ha nāsu ngọngọ n'okwu ahu, ebe ha nēkweyeghi ekweye: edo-kwa-ra ha ka ha me ihe a"( 1Pita 2:6-8).* Na nchịkọta, Pọl onye-ozi nyere anyị ndụmọdụ na 1Kọr.3:11, "*N'ihi na ọ dighi onye ọ bula puru itọ ntọ-ala ọzọ ma-ọbughi Nke atọworo, Nke bu Jisus Kraist."*

Dịka otu abụ si kwue ya, Onye-nwe-anyị Jisọs Kraịst bụ "nkume eji-ezu ike n'ọzara." Ọ bụ ezie na ihe atụ a gosiri Ya ka Onye bụ nkume ntọ-ala —ebe ana-adabere wee zue ike na nke ewukwasịrị nzukọ n'elụ Ya---nkume bụ ebe anyị na-agbaga iji nweta ma ṅụakwa mmiri ọma. Ma madụ apụghị inwete miri siri ike ka nkume site na nkume na-asụpụta. Ịchọ nke ahụ ga-adi ka madụ ịtụ anya inwete ọbara site osisi tọnịp, ma

ọ bụ miri-oroma site na ihe ana-ejide aka were akpọchị ọnụ-ụzọ ulo. Madụ pụrụ ikiri ịma nma na isi ike nke nkume. ọtụtụ ihe mmụta na-esitekwa na ya pụta. Ị pụrụ inyocha ya nke uku n'ọmụmụ, ma Ị pụghị ịṅụ ya ka miri. Jisọs bụ Nkume ahụ, ma ndụ ọma Ya apụghị inye gị nzọpụta. Nkụzi Ya dị iche iche apụghị ịzọpụta mkpụrụ-obi madụ ọbụla. Ndụ na nkụzi Ya yiri nkume mable mara nma nke esekwara ihe osise mara nma, nke ọ bụ Ị gbaso ha na ndụ gị ha apụghị ịzọpụta gị. Ịgbaso ozizi Kraịst pụrụ ịgbanwe agwa gị ụfọdụ, ma Jisos ka bụkwa nkume ahụ pụrụ ịghọrọ gị ihe nkpọbi ụkwụ.

I nwere ike dakwasị n'elu Nkume ahụ bụ Jisọs Kraịst iji nwee nzọpụta, ma onweghi ihe omume nke anụ-arụ efu pụrụ ime ka miri site na Nkume ahụ pụta. Ọ bụ nanị mgbe etiri Nkume ahụ ihe-otiti bụ mgbe O ji mụpụta miri na-enye ndụ. Akpọgidere Jisọs n'Obe n'ezie, ma ọ dịghị ihe ọzọ pụrụ ịzọpụta gị ma ewezuga na I kweere na ọ bụ nihi nmehie gị mere eji kpọgbue Ya. Nkume ahụ etiri nkpa-n'aka bụ onyoghonyogho nke onwụ Jisọs Kraịst nwụrụ.

N'ime Akwụkọ Ọnụ-ọgụgụ agwakwara anyị ọzọ na ụmụ-Izrael kpesakwara ọzọ na ha enweghị miri ọṅụṅụ. Na mbụ mgbe ahụ Izrael tamuru nihi akpịrị ịkpọ-nkụ Chineke gwara Mosis ka o tie nkume ahụ ihe otiti bụ nke mere ka miri site na ya sụpụta. Ma n'ime Akwụkwọ Ọnụ-ọgụgụ Chineke nyere Mosis ntụzi-aka dị iche. Ọ gwara Mosis sị, "*Were nkpa-n'aka ahu, kpọkọta kwa nzukọ Israel, gi onwe-gi, na Eron, bú nwa-nne-gi, unu gwa nkume ahu di elu okwu n'anya-ha, ka ọ we nye miri-ya; i gēme kwa ka miri si na nkume ahu di elu putara ha: i gēme kwa ka nzukọ ahu na anu-ulo-ha ṅua miri"( Ọnụ-ọgụgụ 20:8).* Ọlụ Mosis ugbu a bụ ịgwa Nkume ahụ okwu nihi na etiwori Nkume ihe otiti. Akpọgburu Kraịst kemgbe otu Puku arọ na narị arọ iri iteghete gara aga nke mere na mgbe ahụ O tiri mkpu si, "Ọ gwụsịwo..."( Jọn19:30),ihe nile gwụrụrị n'ezie. Ọ dịghị mkpa bụ ịkpọgide Kraịst n'Obe ọzọ. Ihe Kraịst meere mụ na gị juru Chineke afọ nke ọma. Ajụjụ dị mkpa Ị na-aghaghị

ịza bụ nke a,”Ọlụ ahụ Kraịst lụrụ nihi gị n’Obe ọmasịrị gi?” Ọ nwụrụ iji zọpụta gị. Ọ bụ nanị otu ihe ka Chineke na-achọ n’aka gị bụ ka I kwere n’Ọkpara Ya na ihe ahụ O meere gị.

Ngọzi n’ihe nke ime mụọ na-esite na Nkume ahụ bụ Jisọs Kraịst abịa n’ọgbọ a. Miri nke ngọzi na-asụpụta wee tajụa akpịrị nile kpọro nkụ. Efesọs 1:3na-agwa anyị otu a, “*Onye agọziri agọzi ka Ọ bu, bú Chineke na Nna nke Onye-nwe-ayi Jisus Kraist, Onye were ngọzi nile ọ bula nke Mọ Nsọ gọzie ayi n'ebe di n'elu-igwe nime Kraist.”* Etiri Nkume ahụ ihe-otiti nanị otu mgbe bụkwa mgbe miri dị ukuu sitere na Ya pụta. Ọdọ miri ahụ ejubigawo oke. Osimiri ejubigawo ọnọ-ọnụ ya. Ụwa a nile erughị eru iji dọba Miri sitere na ya mịpụta. Ma na-agbanyeghị nke ahụ, aka nwere ọtụtụ mkpụrụ obi na ire kpọrọ nkụ nihi ịchọ miri ọṅụṅụ. Ọtụtụ puku madụ ka na-anwụ n’akpịrị ịkpọ-nkụ nke miri nke ime mmụọ. Ọwa-miri akpọchiwo nihi obi-abụanke ndi madụ, nmehie na agwa “ọ-gbasaara-onye!” Ọ kasị njọ bụ na ndi na-akụrụ na ha maara Kraịst, bụ ndi na-amaghị Ya n’ezie, awụchiwo ya bụ ọwa-miri

Ndi enyi M, ọ na-abụ M legharịa anya gburugburu obi ajọọ M njọ. Ụwa jupụrara na ndi akpịrị na-akpọ nkụ. Ka M jụa gị ajụjụ a, I jeruwo na Nkume ahụ etiri ihe otiti maka ịṅụrụ miri nke onwe gị? Chineke sị na ọ bụrụ na Ị ṅụa miri ahụ akpịrị agaghị akpọkwa gị nkụ ọzọ.

***EBUM-AGHA MEGIDE AMALEK***

Dịka ha nọ na njem nke ọzara ha ahụ ndi-Izrael zutere ndi Amalek, nke na-anọchi anya anụ-arụ n’Akwụkwọ Nsọ. Nnwapụta a bu ihe ọzọ anyị kwesirị iji mụta ihe.

Lee n’Ọpụpụ 17:8-13:

“***Amalek we bia, buso Israel agha nime Refidim. 9 Moses we si Joshua, Rọputara ayi ndikom, pua, buso Amalek agha; echi mu onwem ganēguzo onwem n'elu ugwu ntà nka, nējide nkpa-n'aka Chineke***

***n'akam. 10 Joshua we me dika Moses siri ya, ibuso Amalek agha: ma Moses na Eron na Hua rigoro n'elu ugwu ntà ahu. 11 O rue, mḅe Moses weliri aka-ya elu, na Israel kariri ike: ma mḅe o mere ka aka-ya zuru ike, Amalek kariri ike. 12 Ma aka Moses abua di arọ́; ha we were nkume, tiye ya n'okpuru ya, ọ nọkwasi ya; Eron na Hua we jide aka-ya abua elu, otù onye n'otù akuku, ibe-ya n'akuku ọzọ; aka-ya abua we nēguzosi ike rue ọdida-anyanwu. 13 Joshua we me ka ike gwu Amalek n'ọnu mma-agha"***

Amalek bụrị nwa-nwa Ịsọ, ha aghọwokwari ndi iro nke Izrael. Iro ha megide Izrael akwụsịghị akwụsị. N'ime akụkọ a, ụmụ-Izrael buru agha nke mbụ ha. Ịsọ bụkwa ihe na-egosi ọlụ nke anụ-arụ. Otu ahụ Izrael na-enweghị ike nke onwe ha imeri, n'otu aka ahụ mụ na gị apụghịkwa imeri site n'ịdabeere nanị n'ike nke onwe anyi. Anụ-arụ na-ebu agha mgide mụo ebe mụọ na-ebukwa agha megide anụ-arụ. Pọl kọwara nke a na Galesha 5;17, *"'ihi na agu nāgu anu-aru megide Mọ Nsọ, agu nāgu kwa Mọ Nsọ megide anu-aru; n'ihi na ndia nēmegide onwe-ha; ka unu we ghara ime ihe ndia ọ bula unu nāchọ ime.."* Nke a bụ ihe anyị hụrụ n'ọzara ebe Iztael na Amalek na-eburịta agha ha.

Ị kpachaa anya nke ọma Ị ga-ahụ na eburu agha a n'elu ugwu. Ejikwa ekpere lụa ya. Izrael emerighị n'agha ahụ site n'ike nke onwe ha nihi na ha bụrị igwe ndi ana-azụghi azụ n'ibu agha. Ọ bụ Mosis lụrụ wee meriekwa n'agha ahụ. Izrael na-amalite ịda mba n'agha ahụ mgbe ọbụla aka malitere igbu Mosis mgbu mee ka o wetue aka ya. Ewezuga Mosis, ụmụ-Izrael agaaraghi emeri n'agha ahụ. Ihe dị mkpa anyị icheta bụ na ọ bụ nanị Mọ-nsọ pụrụ inye anyị mmeri megide anụ-arụ. Mmeri na-adị mgbe ọbụla onye kwere ekwe gara ije n'ime mmụọ. Mgbe ọbụla mụ na gị gbakụtara Mọ-nsọ azụ, Amalek, bụ anụ-arụ, na-enwe mmeri n'ụzọ dị mfe. Mgbe nile Mosis weliri aka ya elu, Ndi-Izrael na-enwe mmeri. Mụ na gị enweghị ike iguzogide anụ-arụ. Ọ bụ nanị Mọ nke Chineke pụrụ inye anyị mmeri.

Ahịrị-uche 13 sị na Jọshụa meririị ndi-iro ya nile. Ka anyị kwụsịtụ nwa mgbe iji tụlee banyeere nwoke a. O bụ ya gaje ịnọchị n'ọkwa Mosis. Anyị kwesirị ịhụ na amalitewo ijikebe ya nihi ọlụ ahụ. Ọ bụ ezie na ọ bụ madụ efu dịka anyị ma Chineke na-akwado ya ịlụ ọlụ ahụ na-echere ya n'ọdị n'iru. Chineke gwara Mosis ka ọ kwugharịa ya ọtụtụ mgbe na ntị Jọshụa na aghaghị ikpochapụ Amalek site n'ụwa.

Ma Chineke n'Onwe Ya gaje ibibi anụ-arụ. Ekele dịịrị Chineke nihi nke a. Mgbe Onye-nwe-anyị weliri Nzukọ laa n'Eligwe, Ọ gaje ịgbanwe ihe a. 1 Kọr.15:52 mere ka nke a doo anya. "*N'oge dikarisiri ntà, n'otù ntabi-anya, mb̧e agāfù opì ikpe-azu: n'ihi na agāfù opì, agēme kwa ka ndi nwuru anwu si n'ọnwu bilie nāpughi ire uré, agēnwo kwa ayi onwe-ayi."* Ọ bụrụ na Onye-nwe-anyị ewelie nzụkọ laa n'Eligwe n'ụdị ọ dị ugbu a na-agbanweghị ya agbanwe, Eligwe gaje ịdị ka ụwa ochie a nihi na anyị ga-eji eke ochie ọjọo anyị lakasịa ebe ahụ. Otewo m malitere idọkpụgharị anụ-arụ aaaam dịka ozu ana-akpụgharị n'ala n'ime ọtụtụ arọ ndi a nile. Ọ ga-amasị M ịtụpụ ya, agbalịwo M ime otu ahụ, ma ọ ka gara n'iru igosipụta onwe ya mgbe nile nke ndụ M. Ana M ekele Chineke na O kwewo nkwa ibibi eke ọjọọ nke M a n'otu ụbọchị. Ndi ahụ ghọworo nke Kraịst ka aga-agbanwe n'otu ụọchị wee mee ka ha zue oke ibi n'ime Eligwe.

Nkejị nke ikpeazụ nke Akwọkwọ Ọpụpụ17 na-asị otu a, "***14 Jehova we si Moses, De nka n'akwukwọ, ka ọ buru ihe-ncheta, me kwa ka ọ ba na nti Joshua: n'ihi na M'gēhichapusi ncheta Amalek n'okpuru elu-igwe. 15 Moses we wue ebe-ichu-àjà, kpọ aha-ya Jehova-nisi: 16 ọ si, Aka dikwasi oche-eze Ja, agha ka Jehova gēbuso Amalek site n'ọb̧ọ rue ọb̧ọ"*** Ụzọ ihe atọ dị gi mkpa icheta: Nke mbu, Chineke n'Onwe Ya gaje ibibi Amalek, nke bụ ma asụgharịa ya, Chineke n'Onwe Ya gaje ibibi eke na madụ ochie ahụ. Nke abụa, Onye-nwe-anyị agaghị enwe nkwekọrịta n'etiti Ya na madụ na eke ochie ahu. Ọ ga-ebuso Amalek agha n'ogbọ nile. Nke atọ bụ na ebum-agha ga-adigide oge ndụ nke

ụwa anyị nile. Anụ-arụ na mmụo ga-anọrịrị n’ogụ. Ọ bụ nanị Mọ-Nsọ Chineke nwere ike inye anyị mmeri.

***OKWU NCHỊKỌTA***

Mụ na gị kwesirị ịkpachara anya mara ụdị eke nke anyị na-azụ na nrị kwa ụbọchị, nihi na ọ bụ nke anyị azụrụ azụ ga-emesị merie nke ahụ anyị jụrụ ịzụ azụ.